Akwụkwọ maka enyemaka maka ego nke ana enye na nkịtị Ntinye akwụkwọ, Iwu enyemaka maka ego, Nchịkọta asụsụ nkịtị, na Iwu igba-ụgwọ na Nnakọta dị na oyibo, Spanish na asụsụ ndị ọzọ ruru mbụrụna akọwara n'iwu enyemaka maka ego site na:

- Ịkpọtụrụ ndị nnabata n'ụlọ-ọgwụ/ Ngalaba ndebanye aha
- Ịkpọ 713.338.5502 ma ọ bụ 1.800.526.2121, nhọrọ nke ise
- Ikwu ka ịnweta ntinye akwụkwọ site na mailu:
  909 Frostwood
  Attn: PBS Financial Assistance
  Houston, TX 77024
- Ibute akwụkwọ ntinye site na Memorial Hermann Health System website: http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/

**Memorial Hermann Health System**

N'ihụ ma iruru ịnweta enyemaka maka ego, Medicaid, Medicare na ihe omume ndị ọzọ, na maka enyemaka zoro ezo maka ntinye akwụkwọ enyere n'efu, kpọtụrụ:

**Patient Business Services**
909 Frostwood Dr., Suite 3:100
Houston, TX 77024
Attention: PBS Financial Assistance

Ekwentị: 713.338.5502 ma ọ bụ 1.800.526.2121, nhọrọ nke 5
E-mailu: Patient.Billing@memorialhermann.org

Fraịdee: Elekere asatọ nke ụtụtụ ruo elekere ise nke mgbede
Mọnde ruo Tọzdee Elekere asatọ nke ụtụtụ ruo elekere asaa nke uchichi

Ụbọchị Vashọn: Novemba 14, 2017

MEMORIAL HERMANN

4411107IBO - Ibo

# Ego onye ọrịa Nchịkọta enyemaka

## Nchịkọta asụsụ nkịtị



Ajụjụ dị mkpa azara:

- Kedụ ọrụ ndị ekpuchitere?
- Kedụ ka m ga-esi tinye akwụkwọ maka enyemaka?
- Kedụ onye ruru enyemaka?
- Kedụ ebe nkwụsị ụgwọ ọnwa?
- Ọ bụrụkwanụ na m erughị ebe nkwụsị ụgwọ ọnwa?
- Kedụ ebe m ga-esi nweta akwụkwọ maka ntinye?

MEMORIAL HERMANN

Memorial Hermann Health System na-enye offers ego enyemaka nyeere ndị ọrịa ruru ịnweta ya, n'igbado ụkwụ na ụgwọ ọnwa, nha ezinụlọ na ukelarii ịda ogbenye gọọmenti etiti maka ọkara ma ọ bụ uju mwepụ ego maka ọnọdụ mberede ma ọ bụ ahụike nleta ụlọ-ọgwụ dị mkpa. Ndị ọrịa n'achọ ịnweta enyemaka maka ego ga etinyeriri akwụkwọ maka ihe omume a, nke achịkọtara n'akwụkwọ a.

## Kedụ ọrụ ndị ekpuchitere?

Iwu enyemaka maka ego (FAP) kpuchiri nleta n'ọnọdụ mberede na nleta ahụike dị mkpa ana enye na Memorial Hermann Hospital.

Iwu enyemaka maka ego ekpuchighi: usoro ịchọ mma, nleta ndị dọkịta na nke ndị ọzọ na-enye gị na Memorial Hermann Hospital mana ha anaghị arụ n'ụlọ-ọgwụ, ma ọ bụ ndị nleta ga-agba gị ụgwọ dị iche na nke ndị ụlọ-ọgwụ ga-anata gị maka ọrụ ha.

## Etu esi etinye akwụkwọ

Enwere ike ịnweta iwu enyemaka maka ego na akwụkwọ ntinye site n'ije n'onwe gị, site na mailu, site n'ekwentị na site na Memorial Hermann weebụ. Dejupụta akwụkwọ ntinye, tinye akwụkwọ ndị achọrọ ma wega ya na ngalaba maka nnabata/ndebanye aha n'ụlọ-ọgwụ ma ọ bụ na adreesị ndị edepụtara n'azụ nnukwu akwụkwọ a.

## Ebe nkwụsị ụgwọ ọnwa

Otu n'ime ihe eji eru ya bụ ụgwọ ọnwa gbadoro ụkwụ na tabulu dị n'okpuru

| ỤKPỤRỤ NDUZI ỊDA OGBENYE NKE AFỌ PUKU ABỤỌ NA IRI NA ASATỌ | |
|---|---|
| Ndị mmadụ nọ na Ezinụlọ/Ụlọ-obibi | Ụgwọ ọnwa kwa afọ |
| 1 | $ 12,140 |
| 2 | $ 16,460 |
| 3 | $ 20,780 |
| 4 | $ 25,100 |
| 5 | $ 29,420 |
| 6 | $ 33,740 |
| 7 | $ 38,060 |
| 8 | $ 42,380 |

Maka ezinụlọ/ụlọ obibi nwere karịa mkpụrụ mmadụ asatọ:
tinye $4,320 maka onye ọbụla etinyere n'mgbakwunye.

## Onye ruru ịnweta enyemaka maka ego?

Ego ole enyere na enyemaka dabere na ụgwọ ọnwa gị, nha ezinụlọ na ukelarii ịda ogbenye gọọmenti etiti. Ndị ọrịa nwere ụgwọ ọnwa ezinụlọ pasentị narị abụọ nke ukelarii ịda ogbenye gọọmenti etiti ma ọ bụ pekarịa nwere ike iru mwepụrụ ego ruru pasentị otu narị. Ndị ọrịa nwere ụgwọ ọnwa ezinụlọ karịrị pasentị narị abụọ nke ukelarii ịda ogbenye gọọmenti etiti nwere ike iru mwepụrụ ego.

Hụ ihe ọmụma edere n'uju n'iwu nke dị na:
**http://www.memorialhermann.org/financialassistanceprogram/**

Ndị ọrịa ruru eru agaghị akwụkarị ego ole ana anata (AGB) ndị ọrịa ọbụla nwere inshọransị maka ihe ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike ndị ọzọ dị mkpa.

Ụdị foto ọmụma ndị a ka ana anabata maka ngosi nkọwa onwe:

- Kaadị eji anya ụgbọala nke steeti na enye ma ọ bụ mpempe akwụkwọ nkọwa onwe
- Kaadị nkọwa onwe nke nwata akwụkwọ
- Akwụkwọ ikike ngafe (US ma ọ bụ obodo ọzọ)
- Akwụkwọ isi obodo ọzọ bịa na US
- Kaadị nkọwa onwe ndị Foreign Consulate na-enye
- Kaadị eji akwụ ụgwọ (nwere foto)